# ARỌ̀ NKE OKÉ-ỌÑỤ

## Levitikọs 25:1-46

## IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 89 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "JEHOVA mara ubọchi nile nke ndi zuru ọ̀kè: ihe-nketa-ha gādiru kwa mgbe ebigh-ebi" (Abù Ọma 37:18).**

### Ekwewo Ala Kenean ná Mkwà

Chineke ekwewo Abraham mkwà, ọtụtụ narị arọ̀ tupu ndị Israel arapụ Ijipt, na Ya ga-enye ụmụ Abraham ala dị ebube ebe ha ga-ebi nime ya. Ụlọ ahụ niile ga-abụworị nke ewuworo nye ha, grape niile ga-abụ kwa nke akụworo nye ha, osisi ha ga ná-amị mkpụrụ (Deuteronomi 6:10, 11). Náánị ihe ha ga-eme bụ ịbànye nime ya -- ọ bụrụ na ha erubere Chineke isi. Ma otú ọ dị, ha aghaghị ịchụpụ ndị ahụ ná-amaghị Chineke ndị bi n'ebe ahụ -- ma ụfọdụ nime ha bụ ndị okoro-ukwu – ma Chineke ekwewo harị mkwà ibutere ha ụzọ wee ga ịlụrụ ha ọ̀gụ̀ ma ọ bụrụ na ha ga erubere Ya isi.

Ndị Israel bụ ụmụ nke Abraham, mgbe ọtụtụ ọgbọ gasịrị. Mgbe ha si n'Ijipt pụta ha malitere ijé Kenean iwere ala ahụ Chineke kwere ha ná mkwà. Ma ha nwere ọtụtụ ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ha ga-amụ tupu ha eruo n'ebe ahụ.

Otù ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke Chineke chọrọ ịkụziiri ụmụ Israel bụ inwe obi ebere na ihe banyere onye ọ bụla imetụ ibe ya n'obi. Ọ chọghị ka ụfọdụ mmadụ bụrụ ọgaranya wee nwekọta ala ahụ niile, ka ndịọzọ wee bụrụ ndị ogbenye ịlụrụ onye ọzọ ọlụ, ndị ahụ a na-alụrụ ọlụ aghaghị inwe obi ebere n'ebe ha nọ wee cheta na n'otù oge ha niile abụworị ndị orù n'Ijipt. Ma ọ bụrụ na Chineke enweghị obi ebere n'arụ ha we gbapụta ha n'orù, ha ga-anọworị n'ịbụ orù. Chineke chọrọ ka ha nwee obi ebere n'ihi mgbapụta ha na-emeso kwa onye ọ bụla na ibe ya dịka ụmụ nke Chineke ndị nwere onweha.

### Ekèrè Ala

Mgbe ụmụ Israel batara n'ala Kenean, Chineke keere ha ala ahụ ka ebo ọ bụla nweta ihe nketa dị mma. Ọ chọrọ ka ha debe mpaghara nke obodo ahụ n'ihe nketa nke ebo ahụ nke O nyeworo ya. Ha azụghị ala ahụ azụ; ha enweghị ego iji kwụọ ụgwọ ya; ọ bụ onyinye nke Chineke.

Ihe niile nke anyị nwere sitere na Chineke, anyị aghaghị ikele Ya ekele n'ihi nke a. Mgbe anyị na-anọdụ ala iri nri, anyị aghaghị ibu ụzọ kelee Chineke n'ihi nri nke O nyere anyị ka anyị rie. Mgbe anyị na-aga ịrarụ ụra n'abalị anyị ga-ekele Ya n'ihi ụlọ na ihe ndina ebe anyị na-ararụ ụra. Mgbe anyị tetara n'ụtụtụ anyị ga-ekele Ya n'ihi izuike ahụ nke O nyere anyị, na uwe niile anyị na-eyi. Anyị ewee rịọ kwa Ya ọzọ ka O nye anyị nri nke ụbọchị ahụ, Ọ na-eme kwa ya. Mgbe anyị na-egosi Ya obi ekele n'ihe Ọ na-enye anyị, obi na-adị Ya mma inye anyị karị.

### Ụbọchị Izuike

Mgbe Ụmụ Israel malitere njém ha iru Kenean, Chineke gwara ha ka ha ná-ezu ike n'ụbochị nke asaa niile. Ụbọchị ahụ ka a na-akpọ Sabat. Chineke zụrụ ndị ahụ site n'izite mana nke ha na-achịkọta ụtụtụ niile ewezuga n'ụbọchị Sabat ahụ. N'ụbọchị nke isii a na-enwe mana riri nne n'ala ịchịkọta nke ga-ezuru ha ụbọchị abụọ -- ma ọ gaghị emebi dịka ọ na-eme n'ụbọchị ndịọzọ mgbe ha chịkọtara karị otú o kwesịrị ha inwe n'ụbọchị ahụ. Chineke agwawo ha na ha ga-edebe Ụbọchị izuike nsọ, ma rụgide kwa ha na ọ dịghị ọlụ ọ bụla a ga-alụ n'ụbọchị ahụ.

Mgbe ha batara na Kenean, ụbọchị Izuike nke ala ga-adị. Ọ bụ ala mara mma nke ukwuu ma Chineke chọrọ ka ha ná-elekọta ya. N'arọ asaa ọ bụla ha agaghị akụ ihe ọkụkụ ọ bụla ka ala ahụ wee zuru ike. Ike adịghị agwụ ala dịka mmadụ, ma mgbe a na-akụ ihe ọkụkụ site n'arọ̀ ruo arọ̀ ihe ọkụkụ ndị ahụ na-ewere ọtụtụ ihe oriri sitere n'ala ahụ nke mere na mgbe ná-adịghị anya a na-asị na "ọ sachapụsịwo." Mgbe ndị mmadụ ná-enweghị ihe eji eme ka ala dị mma, nke a na-akpọ "Fetilizer," bụ nke ha ga-etinye n'ala ahụ, ọ ga-abụ ala nwogharịrị onweya ma ọ bụrụ na ọ tọgbọrọ n'efu otù arọ̀.

Ewepụkwarị ilekọta ala ahụ, Chineke chọkwara ikuziri ha ihe na Ya pụrụ ịzụ ụmụ Ya. O kwere mkwà na n'arọ nke isii na mkpụrụ ubi ha ga-amị rie nne nke ukwuu nke mere na ha ga-enwe nri ga-ezuru ha n'arọ nke Izuike ahụ. Ihe niile nke ga-epu n'arọ̀ ahụ nke a na-akụghị akụ ka a ga-arapụrụ ụmụ ogbenye na anụmanụ (Ọpupu 23:11).

Chineke agaghị ekwe ka ụmụ Ya nọdụ n'agụ. Mkwà Ya O kwere ndị eziomume bụ: "Onye ahụ gēbi n'ebe di elu: ebe ewusiri ike nke nkume di elu ka ulo-elu ya gābu: anēnye ya nri-ya; miri-ya kwesiri ntukwasi-obi" (Aisaia 33:16). Devid dere n'otù nime Abù Ọma ya sị "Nwata ka m'buworo, aghọwokwam okenye; ma ahughm onye ezi omume ka arapuru ya, ahugh kwam nkpuru-ya ka ha nārịọ nri" (Abù Ọma 37:25). Nime iri arọ̀ anọ niile ahụ nke Ụmụ Israel nọrọ nime ọzara, Chineke nyere ha mana ka ha rie. Ha kwesịrị ikwere mgbe niile na Chineke pụrụ ilekọta ha nkeọma na Ọ gaghị arapụ ha n'agụụ.

Chineke chọrọ ka ndị Ya n'ụbochị taa tụkwasị Ya obi, ma ghara ichegbu onweha banyere ihe ha ga-eri ma ọ bụ ihe ha ga-eji gbokwasị onweha. Jisọs gwara ndị ná-eso ụzọ Ya mgbe Ọ nọ n'elu ụwa sị "Àdigh-ere egwele ise na penny abua? Ma adịgh echezọ otù nime ha n'iru Chineke" (Luk 12:6). Ọ bụrụ na Chineke na-elekọta ụmụ nnụnụ, Ọ pụghị ilekọta ụmụ Ya otù aka ahụ?

**Arọ̀ nke Óké Ọ̄ñụ**

Mgbe ụdị arọ̀ asaa ahụ nke arọ̀ asaa ugbò asaa ma ọ bụ arọ̀ iri anọ na iteghete (49) gasịrị, arọ̀ izuike ọzọ ga-abịa kwa. Nke a ka a na-akpọ arọ̀ nke óké ọ̄ñụ, ma ọ bụ arọ nke inwere onwe ma ọ bụ nrapụ. Ọ na-erute mgbe arọ̀ nke Sabat gafere, nke ná-eme ya arọ̀ abụọ ná-esochita ibe ya site na mgbe ha ná-akụghị mkpụrụ ọ bụla. Chineke na-elekọta ihe niile, ma O kwere ha mkwà na ha ga-achịkọta mkpụrụ riri nne na akwụkwọ nri na mkpụrụ osisi riri nne n'arọ̀ nke isii ahụ nke ga-ezuru ha ruo n'arọ nke asaa na nke asatọ ma ruo kwa n'oge nke owuwe ihe ubi n'arọ̀ nke iteghete.

N'Ụbọchị nke Mkpuchi mmehie nke arọ̀ nke Óké Ọ̄ñụ, a na-afụ opi-ike nke ná-adasị ụda ike. Ụbọchị ahụ bụ oge pụrụ iche mgbe ndị ahụ ná-echeta mmehie niile ha. Ma mgbe achụsịrị àjà niile ahụ dịka Chineke nyere n'iwu, ndị ahụ ná-enwe obi ụtọ. Ma mgbe ha nụrụ ụdà opi-ike ahụ dịka omen'ala si dị bụ oge nke ịrapụ ndịorù na inyeghachi ihe onwunwe ha ná-añụrị ọ̄ñụ karịsịa.

N'arọ̀ nke nrapụ a, onye ọ bụla nke reworo ala ya n'arọ̀ iri anọ na iteghete (49) nke garaaga pụrụ inweghachi ya n'efu. Ọ bụrụ na onye ọ bụla dara ogbenye nke mere na o rere onweya ijere onye ọzọ ozi, ọ pụrụ ịlaghachi n'ụlọ ya ugbu a wee bụrụ onye nweere onweya. Chee otú obi ga-esi tọọ ndị ahụ ụtọ mgbe a ga-echezọ ụgwọ niile ha ji wee ná-añụrị ọ̄ñụ n'ihe nketa ha dịka ha na-eme tupu ha abụrụ ndị dara ogbenye!

Chineke achọghị ka ndị ọgaranya ná-emegide ndị ogbenye, n'otù aka ahụ Ọ chọghị kwa ka ndị ogbenye ghọgbuo ndị ọgaranya. Ọ bụrụ na ha eree ala ha ọtụtụ arọ̀ tupu arọ̀ nke Óké-ọ̄ñụ, ha na-anara óké ego, ma ọ bụrụ n'arọ̀ abụọ ma ọ bụ atọ tupu ruo arọ̀ nke Óké-ọ̄ñụ ha na-anara nááńí ọnụahịa ruru ihe a ga-eji ala ahụ mee n'oge dị otú ahụ. Ọ dị ka inye ya ná mbé nke ná-abụghị iré ya ere n'ihi na onye ọ bụla ga-enyeghachi ala nke ọ zụrụ mgbe ọ bụla iri arọ̀ ise ahụ ruru.

**Agbapụtara Tupu Arọ̀ nke Óké-ọ̄ñụ**

Mgbe ọ bụla erere ala, akwụkwọ mkwekọrịta abụọ ka a na-enwe. Nime otù ka ọnụahịa ya na-adị nke a na-akà akàrà wee chebezie ya nkeọma. Nke ọzọ na-eghere oghe ka a na-enyefe onye ọ bụla zụrụ ala ahụ. Ma ọ bụrụ na otù onye nke si n'èzínaụlọ ahụ chọrọ izụghachi ala ahụ dịka onye nwe ya nye ndị ya, ọ pụrụ imeghe akwụkwọ mkwekọrịta ahụ nke nwere akàrà, wee chọpụta ọnụahịa ya, ma zụpụta kwa ya tupu arọ̀ nke óké-ọ̄ñụ abịaruo. Nke a ka a na-akpọ mgbapụta nke ala, ma onye nke zụpụtara ala ahụ ka a na-akpọ onye mgbapụta.

Anyị chọpụtara n'akwụkwọ Rut ihe nkọwa banyere otù onye-arụ mmadụ nke gbapụtara ala ahụ. Naomi nke di ya bụ Elimelek na ụmụ ya ndịkom abụọ dara ogbenye n'ihi óké ụnwụ nke dị n'ala Juda, ha wee gaa obodo ọzọ biri. Mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị, mgbe ụmụ ya ndịkom ahụ lụsịrị nwunye wee nwụọ, di ya nwụkwara, Naomi wee kpebie ịlaghachị n'obodo nke aka ya. Rut, otù nime nwunye ụmụ ya, soro ya laghachi. Ha ka bụkwarị ndị ogbenye ebe ọ dị ukwuu, ha wee chee échìchè ma ọ ga-adị onye-arụ ha nke pụrụ ịgbapụtara ha ala ha. Rut wee gaa hụ́ Boaz, otù nwoke ọgaranya nke si n'èzínaụlọ Elimelek pụta, wee kọsara ya ihe banyere ọnọdụ ha, ịhụ́ ma ọ pụrụ ịzụghachi ala ha. Boaz kwere mkwà ịnọchita anya dịka "Otù nime onye ikwu" (ma ọ bụ onye-arụ), ma ọ bụrụ na onye ọzọ nke bụ onye-arụ ha nọ nso karị apụghị ime ya. Nwoke nke ọzọ ahụ nyere ike ka agbapụta ala ahụ mgbe ọ gbụpụrụ akpụkpọ ụkwụ ya nye Boaz, dịka omen'ala si dị n'oge ahụ. Ya mere Boaz zụrụ ala ahụ bụwororị nke Elimelek, wee lụrụ Rut. Nwa nwanwa ha bụ Eze Devid, onye dere ọtụtụ Abù Ọma nke dị nime Baịbụl. Mgbe ọtụtụ ọgbọ gasịrị amụbatara Jisọs nime èzínaụlọ ha.

**Onye Mgbapụta Anyị**

Jisọs bụ Onye mgbapụta anyị. Dịka ndị mmehie anyị resịrị ekwensu onwe anyị ma anyị enweghị kwa ihe ọ bụla nke anyị ga-eji zụta inwere onwe anyị. Jisọs bịara ịsachapụ njọ anyị niile na ịnyaji ike niile nke onyeiro ahụ n'ebe ndụ anyị dị wee mee ka anyị nwere onwe anyị ọzọ. Ọ lụụrụ anyị ọlụ "otù nime onye ikwu." Ọ bụ nááńí Ya bụ Onye pụrụ ịzụta mgbapụta anyị, ma jiri Ọbara Ya kwụọ ụgwọ ya.

**Arọ̀ mgbe Onyenweanyị Na-anara Mmadụ Nkeọma**

N'otù nime okwu Chineke mbụ nke Jisọs kwuru, Ọ gụrụ n'amaokwu ụfọdụ sitere n'amụma nke Aisaia Onyeamụma buru banyere Ya ọtụtụ narị arọ̀ gara aga. "Mọ nke Onye-nwe-ayi di n'arum, n'ihi na O terem manu izi ndi-ogbenye oziọma: O ziteworo ikwusa ọrira gwa ndị adọtara n'agha, na ikwusa ihu-uzọ gwa ndi ìsì, izipu ndi etihiaworo aru ka ha la, ikwusa arọ̀ mgbe Onye-nwe-ayi nānara madu nke-ọma" (Luk 4:18, 19). "Arọ̀ mgbe Onye-nwe-ayi nānara mmadụ nke-ọma" bụ arọ̀ nke óké-ọ̄ñụ nke ime mmụọ nke ga-eme ka o doo ndị mmehie nke na-echegharị anya na ha ga-enwere onwe ha pụọ n'orù nke mmehie, nke pụrụ ime ka ndị ọrịa dị kwa ike ọzọ, nke ga-eme ka onye ọ bụla nke kwere na Jisọs ñụrịa ọ̄ñụ. Mgbe Jisọs gụpụtasịrị amaokwu ndị ahụ. O wee nọdụ ala sị, "Ta ka emezuworo ihe a edeworo n'akwụkwọ ná ntị unu" (Luk 4:21). Iweta mgbaghara mmehie niile, udo nye

obi niile nọ ná nsogbu, imeghe anya nye ndị kpuru ìsì, bụ ihe dị mkpà karịa inyeghachi iberibe ala ereworo eré. Anyị pụrụ ịnata inwere onwe ahụ nke sitere na Jisọs ọ bụrụ na anyị abịakute Ya ná nchègharị wee rịọ Ya ka Ọ gbaghara anyị mmehie niile anyị. Anyị pụrụ ịñụrị ọñụ "n'arọ̀ nke inwere onwe" anyị n'ụbọchị taa site n'Ọbara nke Jisọs.

Dịka opi-ike ahụ na-ada n'Ụbọchị mkpuchi mmehie n'arọ̀ nke Óké-ọñụ, otú a ka Jọn Onye-ọwụ-mmiri bịara kpọsa ọbịbịa nke Jisọs n'elu ụwa. Otù akụkụ n'ozi ya bụ, "Agēkpoju ndagwurugwu ọ bula, agēme kwa ka ugwu ọ bula na ugwu ntà ọ bula di ala; ebe di mgbagọ gāghọ kwa ebe guzoiri eguzozi, ebe niile di nkputankpu gābu kwa uzọ di lari" (Luk 3:5). Nke ahụ apụtaghị na ugwu niile ga-adaba nime ndagwurugwu n'ime ka ebe niile dị larị; ọ pụtara na Jisọs ga-eme ka ihe niile ra nrata ọzọ dịka ọ dị n'arọ̀ nke Óké-ọñụ mgbe onye ọ bụla na-alaghachi n'ihe nketa ya. Ma nke a adịghị ekwu banyere iberibe ala nke onye ọ bụla ga-enweta, kama na onye ọ bụla pụrụ inweta ihe nketa nke ime mmụọ nime Jisọs. Ọgaranya ga-enwe nzọpụta n'otù ụzọ ahụ.

**Óké Arọ̀ nke Óké-ọñụ Ọzọ**

Arọ̀ nke Óké-ọñụ ọzọ ga-adị kwa mgbe Jisọs "gēwere kwa opi-uku zipu ndi-mọ-ozi ya, ha gēme kwa ka ndi nke Ya arọputara si n'ifufe anọ zukọ, site n'otù nsọtu elu-igwe rue nsọtu ya ọzọ" (Matiu 24:31). Mgbe ahụ ka mmalite nke otù puku arọ̀ nke udo ga-adị mgbe Jisọs ga-abụ Eze. Ndị ọ bụla nime anyị nke jikeworo onweya n'oge ahụ mgbe Jisọs ga-ewepụ ndị Ya n'elu ụwa na nzuzo, ga-abụ ndị nwere òkè ukwu ahụ isoro Ya n'ọchịchị.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị bụ arọ nke Óké-ọñụ?
2. Gịnị ka Ụmụ Israel ga-eri n'arọ̀ ahụ?
3. Gịnị ka Chineke chọrọ ịkụziri ndị Israel n'oge arọ̀ nke Izuike na n'arọ̀ nke Jubili?
4. Ònye pụrụ ịzụghachi ala ahụ nke ereworo tupu oge Jubili?
5. Ònye bụ Onye-mgbapụta anyị?
6. Gịnị bụ "arọ̀ mgbe Onye-nwe-ayi nānara madu nke-ọma"?